# ỌLỤ DỊRỊ ONYEKRAIST ỊLỤRỤ OBODO YA

**Ndi Rom 13:1-14; 14:1-23; 15:1-33**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 388**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ya mere otú a, ka ayi nāgbaso ihe nile diri udo, na ihe nile iwulirita onwe-ayi elu dika ulo" (Ndi Rom 14:19).**

**I Ịnọ N'okpuru Ndị isi**

1 Ọchịchị obodo so nime iwu nke Chineke, kwesịkwa ka asọpụrụ ya, Ndi Rom 13:1, 2; Taitọs 3:1; I Pita 2:13, 14

2 Ndịisi na echekwa iwu ya mere anyị kwesịrị ido onweanyị n'okpuru ha, Ndi Rom 13:3-7

**II Ọlụ nke OnyeKraist**

1 NdịKraist kwesịrị ịhụ́ onweha n'anya, Ndi Rom 13:8-10; Ndi Galetia 5:14; Jemes 2:8

2 Ka ìhè nke Oziọma naenwu ka ndị mmehie wee tụpụ ọlụ niile nke ọchịchịrị wee yiri Onyenweanyị Jisọs Kraist dịka uwe, Ndi Rom 13:11-14; I Ndi Kọrint 15:34; Ndi Efesọs 5:14; I Ndi Tesalọnaika 5:5, 6

**III Ịmaikpé Náezighị ezi**

1 NdịKraist ekwesịghị ịmarịta onweha ikpé n'ihe banyere ụdị iheoriri dị icheiche na idebe ụbọchị ụfọdụ, Ndi Rom 14:1-6; I Timọti 4:4; Ndi Kọlọsi 2:16

2 Na enyere ndị náadịghịike aka, anyị niile n'otù n'otù gaeguzo n'iru ocheikpé nke Kraist, Ndi Rom 14:7-16, 20, 21; 15:1-3; I Ndi Kọrint 8:9-13; 2 Ndi Kọrint 5:10

3 Alaeze nke Chineke adịghị n'ihe anaahụ́anya, mee ihe niile nime mmụọ nke okwukwe na iwuli ndịọzọ elu dịka ụlọ, Ndi Rom 14:17-23; Matiu 15:11

**IV Nzọpụta Nye Ndị Juu na Ndị mbaọzọ**

1 Akwụkwọnsọ naegosipụta na Jisọs Kraist bụ onyeozi ọ bụghị náání nke ndị obibiugwù ahụ kama na Ọ bịakwara maka nzọpụta nke Ndị Mbaọzọ, Ndi Rom 15:8-12; Abù Ọma 18:49; Aisaia 11:10; Jọn 10:16

2 Chineke nke olileanya ahụ pụrụ imeju unu n'ọñụ na udo niile site n'ikwere, Ndi Rom 15:13

**V Nchị kọta nke Àtụ̀mààtụ̀ niile nke Pọl**

1 Pọl naakọ ihe Chineke siteworo n'aka ya lụọ, na kwa ihe banyere Spain nke ọ naezube ijé na njèm ya ịga Jerusalem náeji ihe enyere maka ndịọgbenye n'etiti ndị nsọ, Ndi Rom 15:15-33

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ọchị chị Obodo**

Ọchịchị obodo sitere na Chineke Onye bụ Onyeisi kachasị nke ụwa dum. Ọ bụ ezie na Ọ naenye onye ọ bụla nke Ọ chọrọ ike ọchịchị, "N'ihi na ọ bugh n'ọwụwụanyanwu, ma-ọbu n'ọdida-anyanwu, ọ bugh kwa n'ọzara, ka nbuli-elu nēsi bia. Kama Chineke bu onye-ikpe: Ọ nēme otù onye ka ọ di ala, Ọ nēbuli kwa onye ọzọ elu" (Abù Ọma 75:6, 7). Ọtụtụ mgbe onyeisi ahụ n'onwe ya nwereike ọ gaghị abụ onye náasọpụrụ Chineke, ma otú ọ dị ọchịchị obodo sitere na Chineke; n'ihi na ewezuga ya ibikọ n'otù dịka obodo agaghịadị, udo agaghịadị, nchebe agaghịadị kwa. Ihe niile gaabụworị ọgbaaghara.

Chineke mere ka anyị mata na Ya hụrụ ime ihe n'usoro na n'oge ya n'anya mgbe O debere anyanwụ, ọnwa na mkpakpando niile n'okporoụzọ ha wee náeme ka ha náagba gburugburu n'ijè ha site n'arọ rue n'arọ.

N'ọtụtụ obodo dị icheiche ọ dị ihe anyị naakpọ ụkpụrụ iwu, nke bụ àtụ̀mààtụ̀ nke eji achị obodo ahụ. Ụkpụrụ iwu ahụ ka anaéchè na ọ bụ maka ọdịmma nke ndị ahụ anaachịachị. Onyeisi ahụ , ma arọpụtara ya site ná ntụliakaelu, maọbụ na arọpụtara ya arọpụta n'ebe ahụ, maọbụ na o nwetara ọchịchị ahụ dịka ihenketa sitere n'agbụrụ ha, naekwenye na ọ gaachị dịka ụkpụrụiwu ahụ si dị. Ma dịka Chineke bụ Onye mere iwu na imeihen'usoro, onyeisi ahụ nke náachị obodo dịka ụkpụrụiwu ya si dị, bụ onye Chineke rọpụtara.

**Nrubeisi nye Iwu Ahụ**

Pọl wepụtara ihe abụọ nke mere anyị gaeji náerubere ndị ahụ nọ n'ọchịchị isi: Nke mbụ bụ iji gbanarị ọnụma ahụ nke nnupụisi gaeweta, nke ọzọ bụ iji mee ka akọnauche anyị dị ọcha. Ihe mkpali abụọ ndịa nke dị ike naegbochi mmebi nke iwu ahụ ma mee kwa ka nrubeisi dị. Nrubeisi naeweta ngọzi, ma nnupụisi naeweta nkọcha.

**Iziezi nke Ịtụụtụisi**

Ọchịchị obodo sitere ná ntụziaka nke Chineke ma náachọ kwa ego riri nne iji hụ maka udo na nchebe nke obodo. Ọ bụ ihe ziriezi ka ndị ahụ eji maka ha enwe mmefu ndịa nyeaka n'ịkwụghachị ego ahụ nke anaemefu. Ịna ụtụisi nke ziriezi n'iwu dị mma. N'ụzọ ọzọ, ịnabiga ụtụisi ókè site n'aka onyeisi nke náeme ajọomume bụ ihe megidere iwu nke Chineke. Ma n'ihi akọnauche ụmụ Chineke aghaghị ido onweha n'okpuru iwu dị icheiche nke obodo. "Nākwughachinu madu nile ihe nile unu ji ha n'ugwọ; tunu ùtú nye onye unu ji ugwọ ùtú; tunu ùtú-ahia nye onye unu ji ugwọ ùtú-ahia; tuanu egwu onye unu ji ugwọ egwù; sọpurunu onye unu ji ugwọ nsọpuru."

Ekwesịrị ịsọpụrụ ndịisi n'ihi ọ̀kwá ahụ nke ha ji. Ọ bụrụ na onye ahụ nọ n'ọkwá ahụ bụ onye náekwesịghị, sọpụrụ ọkwá ahụ nakwa onye ahụ n'ihi ọkwá ahụ nke o ji. Emesola onye ọ bụla omume nke nsọpụrụ náadịghị nime ya mgbe ọ bụla.

**Ntọala nke Iwu Chineke**

Onyeozi ahụ nọrị náegosi anyị ihe bụ ọlụ anyị, nsọpụrụ na nrubeisi anyị n'ebe ndịisi nke obodo anyị nọ. Ugbu a ọ naegosi anyị ihe bụ ọlụ anyị, dịka NdịKraist, n'ebe ibe anyị nọ. Ịhụn'anya bụ ntọala nke iwu Chineke. "Unu ejila onye ọ bula ugwọ ọ bula, ma-ọbugh ihurita onwe-unu n'anya." Anyị aghaghị ịsọpụrụ iwu nke obodo n'ihi akọnauche anyị; ma eji ụdọ nke ịhụn'anya kekọta anyị na ibe anyị. "Ihu-n'anya adigh-alu ọlu ọjọ n'ebe onye-agbata-obi ya nọ: ya mere ihu-n'anya bu idebezu iwu." Okwukwe naewerute anyị nso n'eluigwe; olileanya emeghi kwa ka ihere mee anyi; ma ịhụn'anya nke awụsaworo n'obi anyị site na Mmụọ Nsọ bụ nke kachasị ihe niile.

**Esemokwu N'etiti Ndị Juu na Ndị Mbaọzọ**

Ọ bụ ihe pụtara ìhè nkeọma na enwere nghọtahie dị icheiche n'etiti ndị Juu na ndị Mbaọzọ ndị nọ na Rom bụ́ ndị kwere na Kraist. Ịhụn'anya adịghị n'ebe otù onye na ibe ya nọ. Isi ihe nke wetara esemokwu ahụ bụ ihe banyere anụ na ụbọchị dị icheiche.

Ndị Juu ụfọdụ kwereekwe ka naejidesi ya ike na ekwesịrị idebe Iwu Moses. Ha naagụ anụ ụfọdụ dịka ihe náadịghị ọcha nke náekwesịghị kwa oriri, náekwu kwa na ekwesịrị ịsọpụrụ ụbọchị ememe ụfọdụ. Onye Mbaọzọ ahụ nke kwereekwe ghọtara na okpukpé nke NdịKraist ebokwasịghị ya ibu dị otú ahụ. Ma ihe Ndị Juu na Ndị Mbaọzọ naechè n'ụzọ nke ha nwereike ịbụ eziokwu; ha abụọ kwa, pụrụ ịbụ ndịnketa nke ndụ ebighịebi ma ha bụrụ ndị náekwu eziokwu, ndị ziriezi ma náeme kwa ihe niile n'egwu nke Chineke. N'ihe banyere onye ọ bụla nime ha ekwuru sị: "Ọ bu n'ebe Onye-nwe-ya onwe-ya nọ ka ọ nēguzo ma-ọbu nāda."

Onyenweanyị Jisọs mere ka o doo Pọl anya na ọ dịghị ihe rụrụarụ n'onweya. Ma ọ bụrụ na nwanna adịghịike wee hụta otù ihe dịka ihe rụrụ arụ, mmadụ kwesịrị ịsọpụrụ okwukwe ya ghara kwa ịla okwukwe onye ahụ Kraist nwụrụ n'ihi ya n'íyì. Gụọ mkpụrụobi ya n'ihe dị ókéọnụ ka ị ghara idebe ihe ịsụngọngọ n'ụzọ ya. Nke a naegosi na site n'omume nzuzu dị icheiche nke anyị apụrụ ịla mkpụrụobi n'íyì. Lee otú NdịKraist si kwesị iji amamihe na ịhụn'anya náejégharị n'iru Chineke! "Akwatula ọlu Chineke n'ihi ihe-oriri." Anyị pụkwara itinye: Emekwala ka nwanna gị sụọ ngọngọ wee daa n'ihi ụmụ nghọtahie ụfọdụ.

Otù onye nwereike ịgụ ihe ọ bụla nke Chineke kèrè dịka ihe dị mma, wee rie ya náenye kwa Chineke ekele. Onyeọzọ nwereike iwezuga onweya n'iri iheoriri ụfọdụ. Ọ dịghị eri ma náenye kwa Chineke ekele. Chineke naanabata ha abụọ, ha kwesịkwara ịnagiderịta onweha. "N'ihi na ala-eze Chineke abugh oriri na ọñuñu, kama ọ bu ezi omume na udo na ọñu nime Mụọ Nsọ." Ọ dịghị nime ihe ndịa anaahụ́anya, kama ná mgbaghara nke mmehie niile na ịdịnsọ nke obi na ndụ. Udo nke obi naabịa site n'ịmata ebere nke Chineke na inwe ịhụn'anya nke Chineke nke awụsaworo n'obi anyị.

Otù onye ekwuwo sị: "Nka bụ ezi ụdị nke Eluigwe; eziomume náenweghị mmehie, udo nke náenweghị nsogbu, ọñụ náenweghị ụdị ihe mgbu ọ bụla nke obi maọbụ egwù nke naeweta iruuju."

**Ụbọchị Dị Icheiche nke Ememe**

Ndị Mbaọzọ ahụ kwere na Kraist naahụ́ ememe dị icheiche nke ndị Juu dịka Pentikọst, ememe nke ọnwa ọhụụ, na ememe ndịọzọ dị icheiche, dịka usoro omen'ala nke ndị Juu n'okpuru Iwu ahụ na ha abụghị akụku nke Oziọma nke Jisọs Kraist. Ndị Juu, ebe ha debeworo ha ọtụtụ arọ, nọ kwa náewere ha dịka ememe nke dị mkpà nke ukwuu wee náaga kwa n'iru n'idebe ha. "Onye nātukwasi uche n'ubọchi, nātukwasi uche

na ya n'ebe Onye nwe-ayi nọ; (onye nke nādigh kwa atụkwasị uche n'ụbọchị, ọ bụ n'ebe Onye-nwe-ayi nọ ka ọ nādịgh atụkwasị ya)" "Gi-onwe-gi, gini mere i nēkpe nwa-nna-gi ikpe? ma-ọbu gi onwe-gi kwa, gini mere i nākpọ nwa-nna-gi ihe-efu? n'ihi na ayi nile gēguzo n'iru oche-ikpe Kraist."

Okwu banyere idebe Iwu Moses pụtara ọtụtụ mgbe n'oge mmalite nke nzukọ nke NdịKraist. Ndịozi ahụ zukọtara idozi okwu a nke mkpebi ha banyere ya dị n'Ọlu Ndi-ozi 15. Pọl kwukwara ihe banyere okwu a nime Akwụkwọozi dị icheiche. Enwere ọtụtụ ndịòzízí ụgha n'ụbọchị taa ndị gaachọ kwa iweghachị anyị n'ịbụ orù nke Iwu Moses, nke ka nke n'idebe Ụbọchị Izuike. Ma Baịbụl naasị: "Ya mere, unu ekwela ka onye ọ bula kpe unu n'oriri, ma-ọbu n'ọñuñu, ma-ọbu n'okwu ubọchi ememe ma-ọbu nke ọnwa ọhu ma-ọbu nke ubọchi-izu-ike" (Ndi Kọlọsi 2:16).

"Ubọchi mbu nke ízù ubọchi asa? bụ ụbọchị ahụ nke Jisọs siri n'ọnwụ bilie; ọ bụ kwa ụbọchị O mere ka ndị náesoụzọ Ya hụ Ya anya ọtụtụ ugbò mgbe O siri n'ọnwụ bilie; ọ bụ ụbọchị ike ahụ dara (Ọlu Ndi-ozi 2), n'oge ahụ ka atọrọ ntọala nke Nzukọ Kraist. Ọ bụ n'ụbọchị ahụ ka ndị náesoụzọ Ya zukọrọ ịnyawa achịcha n'icheta Nrianyasị nke Onyenweanyị, ma náeweta kwa onyinye afọòfùfò nye Onyenweanyị. N'ihi ihe ndịa niile anyị naewere Sonde dịka Ụbọchị nke Onyenweanyị wee náedebe kwa ya iche dịka ụbọchị ifèòfùfè.

**Akọnauche Anyị**

"Ngọzi diri onye nēkpegh onwe-ya ikpé n'ihe ọ nānwapụta." Náánị mmadụ ahụ nke náeme omume dịka ntụziaka zirieze nke akọnauche ya si dị pụrụ inwe udo nke akọnauche. Onye náahụjụanya ka mmadụ ahụ bụ nke náarapụ onweya ime ihe ọ bụla nke akọnauche ya naama ya ikpé maọbụ náebo ya ebubo. "Ihe ọ bula nēsitegh n'okwukwe bu nmehie."

**Chị ọbụbọ nke Ụbọchị Ọhụụ**

"Chi ejimiwo, chiọbubọ di kwa nso: ya mere ka ayi yipu olu nile nke ọchichiri, ma ka ayi yikwasi ihe-agha nke ìhè." Anyị naabịaru nso chiọbụbọ nke ọgbọ ọhụụ; Aka ahụ adịkwasịworị n'elu ihe eji akpọghe ụzọ. Ọchịchịrị ahụ gaagabiga mgbe náadịghịanya. Oge anyị nwere iji dọgbue onwe anyị n'ọlụ nye Jisọs gaagafe mgbe náadịghịanya. Ọtụtụ mkpụrụobi nke furuefu gaamalite ịkwaákwá mgbe náadịghịanya, "Owuwe-ihe-ubi agabigawo, nghọkọta-nkpuru agwusiwo, ma ayi onwe-ayi, azọputagh ayi" (Jeremaia 8:20). Ka anyị lụọọlụ mgbe ụbọchị fọdụrụ n'ihi na abalị naabịa, mgbe ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịlụ ụbọchị fọdụrụ n'ihi na abalị naabịa, mgbe ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịlụọlụ. "Nēburitanu ibu nānyi ibe-unu, nēdebezu-kwa-nu iwu Kraist n'uzọ di otú a."

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere anyị gaeji náatụ ụtụisi?
2. Òlee otú Pita si nweta ego o ji tụọ ụtụisi nke ya na nke Jisọs?
3. Òlee ụzọ ihe abụọ nke mere o ji kwesị ka anaerubere iwu nke obodo isi?
4. Gịnị bụ esemokwu ahụ nke dị na Rom n'etiti ndị Juu na ndị Mbaọzọ?
5. Gịnị dị nime Alaeze nke Chineke?
6. Gịnị ka Pọl kwuru n'akwụkwọozi a banyere oge?
7. Òlee otú NdịKraist gaesi náemeso ibe ha omume?
8. Òlee mmetụta nke Pọl nwere banyere iheoriri ma ọ bụrụ na ọ gaeme ka nwanna ya maa n'ọnyà?